Omenala Igbo N'ịzulite Ụmụaka Nke

Magnus Aniago
Institute Of African Studies
University Of Nigeria, Nsukka magnus.aniago@unn.edu.ng
+2347064977068

John Ogonna Okoli
Centre for Entrepreneurship and Development Research
University Of Nigeria, Nsukka
Ogonna.okoli@unn.edu.ng
+2348038948609

Ibenekwu Ikpechukwu E.
Institute of African Studies
University Of Nigeria, Nsukka ikpe.ibenekwu@unn.edu.ng
+2348037786363
*Correspondent Author

Ụmị Edemede

Edemede a lebara anya n'omenala Igbo na ka o si metuta ụmụaka Igbo. O teela aka ndị mmadụ ji ajụ ajụjụ ka o nwere ihe omenala Igbo na-arụ ebe ụmụaka nọ n'ihi ka ha si adoda ihe ndị si mba ọzọ nke abụghị omenala Igbo. Ndị nchọcha gbakwasara ụkwụ n'usoro sọvee were mee nnyocha ha. Ngwa nchọcha ha sitere n'ihe e dere ede na nke ha ji anya ha hụ. Nchọpụta ha gosiri na omenala Igbo na-arụ nnukwu ọrụ n'ebe ụmụaka ha nọ. Ha si na ya eme ha ka ha bụrụ ndị nwere ezi agwa. Ndị nchọcha nyekwara ndụmọdụ ka ndị mmadụ tinye uchu n'iji omenala Igbo kuziiri ụmụaka Igbo ezi akparamaagwa.

Okpụrụkpụ Okwu Ga: Omenala, Ụmụaka, Akparamaagwa, na Ikuzi.

Mkpọlite

Omenala bụ ka ndị si ebi ndụ. Ndị Igbo bụ ndị e ji omenala dị iche iche mara. Ha so n'otu mba Africa jidesiri omenala ha ike n'agbanyeghị ka omenaala ndị mba ụwa ndị ọzọ si na-awanye isi n'ebe ha nọ. Omenala ndị a gụnyere iti mmọnwụ, iri ji ọhụụ, ichi ọzọ, ile ọmụgọ, na ọtụtụ ndịị ọzọ. Ude (2019) kwuru na mba dị iche iche n'ụwa dị ka Bekee, China, Asia, Germany, na mba ụwa ndị ọzọ nwere omenala ha. Omenala ndị ka e ji ama ha. Ogbonna (2015) kọwara omenala dị ka ụzọ mba na agbụrụ dị iche iche si ebi ndụ ha. Echiche, akparamaagwa na obibi ndụ ndị mmadụ na-apụta ihe n'omenala ha (Okoye, 2016). N'aka nke ya, Eze (2015) kwuru na omenaala bụ usoro mba ma ọ bụ obodo si eme ihe mgbe ha na-ebi ndụ. Asụsụ Igbo so n'otu omenala ndị Igbo jiri biri n'ihi na e kwuru na obodo ọbụla tufuru asụsụ ha etufuola ezigbo njirimara ha. Igbo so n'otu agbụrụ kacha dị ukwu na Naijiria. A ga-ahụ ha na steeti dị ka Anambra, Enugwu, Ebonyi, Abịa, Imo, Delta, Kogi, Rivers, na Benue. Ha bigasikwa n'ọtụtụ steeti bụ nke esoghi na steeti ndị a na-agụnye na steeti ndị dị n'ala Igbo. Ọ dị mkpa ka a mata na ụfọdụ n'ime steeti ndị a ndị Igbo bi na ha abughị naanị ha bụ agbụrụ nọ na steeti ndị ahụ. O nwere agbụrụ ndị ọzọ ya na ha nwere oke dị ka na Benue, Kogi, Delta, na Rivers.

Ndị Igbo bụ ndị e ji ọrụ ugbo na ịzụ ahịa mara. Ihe a bụ aka ọrụ ha tupu ndị ọcha abịa. Ndị ọcha bịara weta agumakwụkwọ nke ndị Igbo titara isi tinye n'ime ya n'ihi na ha bịara chọpụta uru dị n'ime ya. Ọtụtụ ụmụ Igbo agụọla akwụkwọ, nọrọ n'ogo ọkwa dị iche iche. Ọtụtụ omenaala Igbo efuola n'ihi mmekọrịta ha na ndị mba ọzọ, ma ha jisikwara ọtụtụ omenaala ha ike. O nwere omenaala ndị bụ ozuruigbo ọnụ, nwekwaa nke obodo ọbụla na-emere onwe ha, ọ bụrụ njirimara ha.

Ụfọdụ n'ime omenala ndị a bụ ọnatarachi ebe ụfọdụ bụ nke mmadụ ji aka ya guzobe n'ihi ihe ọ na-ahụ na ndụ. Ụfọdụ omenala bụkwa nke a mụtara

amụta. Mba dị iche iche nwere omenala ha. Otu omenala nwere ike isi n'otu mba manye na mba ọzọ n'ihi na mmekọrịta na-adị n'etiti omenala bụ ka ndị si eme. O nwere omenala metutara ndị okenye dị ka ịwa ọjị na ịgọ ọfọ ma nwekwaa omenala gbasara ụmụaka dị ka: ikele ekele, ịga ozi, irubeisi, w.d.g.

Ọtụtụ oge, ndị mmadụ na omenala Igbo nwere ka o si abara ụmụaka Igbo uru. Ihe ha ji ajụjụ pbụ na ọtụtụ ụmụaka bụzị ihe banyere ndị ọcha na ndụ ha ka ha na-aka elenyezi anya. Ha na-eme nke a n'asụsụ ma n'ihe nkiri dị iche iche. Ya mere ndị nchọcha ji sị ka lenye anya n'omenala Igbo ụ si gbasata ụmụaka. Ebumnobi ha bụ ka ha mata ka omenala Igbo nwere ihe ọ na-arụ n'ebe ụmụaka nọ, ọ kachasị n'akparamagwa ha.

Ndị nchọcha gbasoro usoro sọvee wee mee nnyocha ha. Ngwa nchọcha ha gụnyere ihe ha gụtara n'akwụkwọ, na nke ha jiri anya ha hụ. Ha jiri ihe ndị chọpụta ka omenala Igbo si metuta ụmụaka ha. Ha jiri ngwa nchọcha ha lebasie anya n'ụfọdụ omenala gbasara ụmụaka

Omenala Metụtara Ụmụaka

O nwere omenala Igbo ndị metutara ụmụaka, bụkwa nke ndị Igbo ji eme ka ụmụ ha bụrụ ndị ga-aba uru n'obodo. Nwatakịrị na-eme omenala ndị a na-egosi na a zụrụ ya nke ọma maọbụ na ọ maara ihe. Ndị okenye na-enyekwa nwata dị otu a ugwu ruru ya n'ihi na a sị na nwata kwọchaa aka, o soro ọgaranya rie nri. Oge ndị ọzọ, ndị mmadụ enye ya ihe onyinye. Ụfọdụ n'ime omenala ndị a bụ ndị e depụtara ebe a:

Ikele Ekele

Ndị Igbo sị na a na-ebu ụzọ rie ihu nwata tupu a nara ya ihe o ji n'aka. Nke a mere e ji akụziri ụmụaka ka ha na-enwe obi sarasara na ihu ọchị. Otu n'ime ụzọ kacha e ji ama ezi nwata a zụrụ nke ọma bụ n'ekele. Ụmụaka kwesiri ka ha na-ekele nne na nna ha ekele ụtụtụ, nke ehihie, na kwa nke abalị.

Nwata richaa nri, o kwesiri ka o kelee nne na nna ya na ndị nọ ebe o riri nri. Ezi nwata zute okenye n'ụzọ, o kwesiri ka o kele ya. Nwata kwesikwara ka ọ na-ekele ndị niile tọrọ ya na kwa ụmụaka ibe ya. Na mgbe ochie na n'ime obodo ụfọdụ, ekele ndị a na-abụkarị n'asụsụ Igbo, dị ka: ndeewo, nne ịsaala chi? ị bọọla? I kulitela? ị rahụkwara nke ọma? ị dị aṅaa? I foola chi? ị pụtala ụra? Nna m, i biliela? Ọ bụrụ onye si esi bata ma ọbụ lọta ọrụ, nwatakịrị nwere ike kelee ya nnọọ, ala, I jee, ị yọla? ị batala? deeje, nnọọ ije, wdg. Ọ bụrụ onye nọ ebe ọ na-arụ ọrụ, e nwere ike ịsị ya, deeme ọrụ, daarụ ọrụ, maje ọrụ, jisi ike, wdg. E nwere ike ịsị onye na-eme njem, laa gboo, naa gboo, lọta ngwa, ije ọma, laa n'udo, jisi ike, gaa nke ọma, lọtakwa ọsịịsọ, natakwa n'oge, wdg. Nwata richara nri nwere ike ịsị, nne I mee, papa daarụ, unu emeela, ekele dịrị onye siri nri, nri a atọka, daalụnụ, Chi anyị gọzie unu, wdg.

Ọ dị mkpa ka a mata, na ihe mgbanwe ụfọdụ adịla n'ime ekele ndị a. Ọtụtụ ụmụaka jizi asụsụ bekee na-ekele ekele, dị ka: 'good morning,' 'good night,' 'thank sir;' 'thank ma.' Wdg.

Ịga Ozi

Ezi nwata a zụrụ nke ọma, ma ihe, na-agara nne na nna ya ozi. Ọ naghị agbarụ ihu ma e zie ya ozi. O kwesiri ka o jiri ihu ọchị na-eme ihe e ziri ya n'ụlọ nakwa nke e ziri ya n'ama. Ọ ga na-agakwara ndị okenye ndị ọzọ abụghị nne na nna ya ozi. Ọ gaegosikwa ụmụnne ya ndị tọrọ ya ịhụnanya site n'ịdị na-agara ha ozi. Ọtụtụ mmadụ naenwe aṅụrị na mmasị n'ebe nwata na-aga ozi nọ. Nwata dị otu a na-anatakwa ngọzị pụrụ iche n'aka ndị mụrụ ya na ndị ọ na-agara ozi. Ụfọdụ nwere ike ịsị nwata dị otu a, ya dịrị gị mma, maọbụ, ngọzị dịrị gị. Ndị ọzọ nwekwara ike inye nwata dị otu a onyinye. Nwata na-aga ozi na-esikwa n'ozi ahụ ọ na-aga amụta ihe n'ihi na ọ na-aghọta ụfọdụ ihe n'ozi ndị okenye na-ezi ya. Ọ na-esikwa n'ije ndị ọ na-aga were aga ozi ndị ahụ bụrụ onye gbasiri ike.

Irube Isi

Ịga ozi na irube isi bụ nwanne. Ọ bụ nwata na-erube isi na-aga ozi e ziri ya. Irube isi na nspụr na-agakọkwa ọnụ n'ihi na onye mmadụ na-asọpụrụ ka ọ ga na-erubekwara isi. Irube isi bụ ige ntị na ndụmọdụ nne na nna, na-eme ihe ha sị ka e mee, ma hapụ omume ndị ha sị ka a hapụ. Ndị Igbo sị na onye bu mmadụ ụzọ sibe nri na-aka ya enwe mkpọmkpọ dị iche iche. O nwere ọttụ ihe dị mma nne na nna ma, nke ụmụaka amaghị. Ọ bụ ya ka o ji dị mkpa na a na-erubere ha isi ma na-eme ihe ha na-akuzi.

Nne na nna na-ahụ nwa ha na-erubere ha isi n'anya nke ukwu. Ha gaa ahịa, ha naazụtara ya ihe ahịa maọbụ ekele ahịa. N'oge emume ekeresimesi, ha na-azụrụ ya akwa, akpụkpọ ụkwụ, mgba aka, na ihe ndị ọzọ na-adị ụmụaka mma. Ụmụaka na-enwe aṅụrị n'ihe ndị a. Ụfọdụ n'ime ha na-eji maka ya na-erubere nne na nna isi karịa ka ha na-eme na mbụ. Ndị okenye na-ejikwa ụmụaka dị otu a ama atụ, jiri ha na-ezi ụmụaka ndị ọzọ ka e si eme ezi omume.

N'aka nke ọzọ, o nwere ọnọdụ e nwere ike idobe nwata ahụ anaghị erube isi maọbụ eme ezi omume. A na-ebu ụzọ kpọọ onye dị otu a, nye ya ndụmọdụ. Ọ bụrụ nwata pere mpe, e nwere ike pịa ya ụtarị. Ọ bụrụ nwata gbagotere nke ọma n'okenye, a ga-enye ya ndụmọdụ. Ọ bụrụ na ọ nụghị ya, ụmụnna nwere ike kee ya agbụ, tie ya ihe. Ka a ga-esi meso ya omume ga-agbado ụkwụ ka o si anabata ihe a na-agwa ya. N'oge adịghị anya, n'ogbe Amaekpu, nke dị n'Ọhafịa, ndị okenye nwaanyị obodo ahụ kpọpụtara otu nwokorobịa, a kpọrọ Sunny Uma Okwara, pịa ya ihe n'ọgbọ, n'ihi na o tiri nne ya ihe Ha dakwara ya nha naira puku iri abụọ, tinyere otu ewu (Ifudu, WhatsApp). Nke a bụ otu ụzọ ndị Igbo ji esi n'omenala ha na-agbaziri ndị na-etolite etolite.

Mmechi

Omenala Igbo bara ụba, maa mma, tọọ atọ. Ụfọdụ ihe ndị adịghị mma na ya, bụ nke metutara iwepụ ndụ na imegbu maọbụ imegide mmadụ ka e ji

nwayọọ na-ewepụcha na ya. Nkuzi ụka bịakwara nye nnukwu aka iwepụcha ihe ndị ahụ adabaghị. Nke a mere na ihe dị mma n'omenala Igbo karịrị ihe dị njọ n'ime ya. Ọ bụ n'ime ya ka ndị Igbo si akuziri ụmụ ha nsọpụrụ, irube isi, ekele, na ezigbo akparamaagwa dị iche iche. Ọ dị mma ka mmadụ niile kwado ihe dị mma n'omenala Igbo, maka na omenala ndị bụ njirimara ha.

Edensibịa

Eze, Leonard of Enugwu Eke. Interviewed 17-09-2015.
Ifudu, J. Ohafia Community. WhatsApp Message. Retrieved 15-01-2019
Ogbonna, Anthony of Mgbagbu Ọwa. Interviewed 14-03-2015
Okoye, Joseph of Ịgbakwụ. Interviewed 15-03-2016
Ude, F.U. (2019). Ụdịdị na ọrụ odomagana n'okpuru ọchịchị Udi, Steeti Enugwu. Nsukka Journal of Humanities. 27(2) 15-28